**MEMORIAL HERMANN SURGICAL HOSPITAL FIRST COLONY**
**IWU**

**ISIOKWU IWU:** Iwu ịgba-ụgwọ na Nnakọta

**ỤBỌCHỊ MBIPỤTA:** 10/1/2018
**MBIPUTE:** 1

---

**EBUMNUCHE IWU:**

Iwu a na-ewepụta usoro nwere isi banyere nchịkọta akaụntụ ndị ọrịa, gụnyere ihe ndị Memorial Hermann Surgical Hospital First Colony ("MHSHFC") ma ọ bụ nchịkọta ndị ọrụ iro egoro ego.

**OGBA:**

Iwu a metụtara Memorial Hermann Surgical Hospital First Colony

**NKWUPỤTA IWU:**

1. Ọ bụ iwu ndị MHSHFC ịnweta nchịkọta ihe fọrọ onye ọrịa n'aka ndị ọrịa nwere ike ịkwụ-ụgwọ maka ọrụ nleta. Iwu a na-akọwa ihe ndị MHSHFC nwere ike eme iji nakọọ ụgwọ ụlọ-ọgwụ ma ọ bụ ụgwọ ndị ọzọ maka ọrụ nleta enyere ndị ọrịa ndị MHSHFC. Iwu a na-akọwakwa usoro na oge ọ ga-ewe iji mee ihe nnakọta, ihe ndị MHSHFC nwere ike ime maka akwụghị ụgwọ, na mbọ nwere isi ndị MHSHFC ga-agbarịrị iji chọpụta ma onye ọrịa oruru ịnweta enyemaka maka ego.

2. Iwu a na-akọwa etu ndị MHSHFC si agwa ndị ọrịa banyere ego ole ana anata maka ọrụ nleta ndị MHSHFC nyere ha.

3. Ndị MHSHFC ga-agba mbọ nwere isi iji mara ndị ọrịa nwere ike iru nweta Enyemaka maka Ego.

4. Iwu a na-akọwakwa ọnọdụ ndị MHSHFC nwere ike iji depụ akaụntụ onye ọrịa dịka ajọ ụgwọ eji eji na usoro esi achịkwata ma ledo anya n'ihe edepụrụ n'ime ihe fọdụrụnụ na akaụntụ onye ọrịa.

5. MHSHFC agaghị etinye aka na Omume Nchịkọta Pụrụ dị ka akọwapụtara na I.R.C. § 501(r) na iwu yiri ya.

6. Iwu na usoro edepụtara ebe a bụ nke emere ka ọ dabanye n'iwu na ndebe iwu nke steeti Texas, I.R.C. § 501(r) na nduzi yiri ya.

7. Ikike ikpeazụ iji chọpụta ma ndị MHSHFC agbaala mbọ nwere isi iji chọpụta maka oruru ịnweta Enyemaka maka Ego dịịrị ndị MHSHFC.

**OKWU NA NKỌWA:**

1. *Ntinye akwụkwọ:* Ntinye akwụkwọ ịnweta enyemaka maka ego nke ọ bụ onye ọrịa ga-edejupụta.

2. *Oge ntinye akwụkwọ:* N'oge Ntinye Akwụkwọ, ndị MHSHFC ga-anabata ma hazie ntinye akwụkwọ ịnweta Enyemaka maka Ego. Oge ntinye akwụkwọ na ebido n'ụbọchị enyere onye ahụ nleta ma kwụsị ka mkpụrụ ụbọchị 240 gachara ejiri weta akwụkwọ ịgba-ụgwọ nke mbụ maka nleta ahụ.

3. *Ndepụ ajọ ụgwọ eji eji:* Ndezi emere na akaụntụ onye ọrịa maka ego ole akpọrọ eweghị ewe, mana onye ọrịa nwere ike ikwunwu ụgwọ fọdụrụnụ. Nchọpụta nke a gbadoro ụkwụ na mbụrụna nnakọta emepụtara, nke ana eme naanị mgbe agbara akaụntụ ụgwọ ma mee ịgba mbọ nnakọta ziri ezi.

4. *Nhazi Nkwekọrịta:* Ndezi emere na akaụntụ onye ọrịa iji gosi ndiiche dị n'etiti mgbakọta ụgwọ onye ọrịa n'ego ole edepụtara na ego mmachi akpa ana atụ anya n'aka ndị ọzọ n'akwụ ụgwọ n'isonye iwu ndebe iwu na nhazi njikọtara nsukọ.

5. *Omume nchịkọta pụrụ iche ("ECAs"):* Omume nnakọta ndị a bụ ndị na-achọ usoro ụzọ iwu ma ọ bụ ikpe, ma nwekwaa ike ịgụnye mmemme ndị ọzọ dịka ịresị otu ọzọ ụgwọ eji ma ọ bụ ịkpesara otu ndị n'ebinye ego akụkọ ojoo. **MHSHFC anaghị etinye aka n'ime ECAs, ma ọ bụ kwe ka ndị n'emere ha nchịkọta tinye aka n'ime ECAs.**

6. *Enyemaka maka Ego:* Enyemaka maka ego pụtara inye aka ndị MHSHFC na-enye ndị ọrịa ruru ụfọdụ mbụrụna ego na oruru ihe ndị ọzọ dịka esiri kọwaa ya na FAP iji nyere ha aka ịnweta ego dị mkpa iji kwụ ụgwọ maka ihe ọnọdụ mberede ma ọ bụ nleta ahụike dị mkpa nke ndị MHSHFC na-enye. Ndị ọrịa ruru eru nwere ike ịgụnyere ndị ọrịa enweghị ịnshọransị, ndị ọrịa n'ana obere ụgwọ ọnwa, na ndị ọrịa ahụ nwere ọkara mkpuchi mana ha enweghị ike ịkwụ ụfọdụ ma ọ bụ ụgwọ niile fọdụrụ n'ụgwọ ụlọ-ọgwụ. Enyemaka maka ego agụnyeghị ego njikọtara nsukọ maka mkpuchi ahụike ha na ndị ụlọ-ọrụ ịnshọransị na ndị ọzọ nwere.

7. *Nchịkọta asụsụ nkịtị ("PLS"):* Nchịkọta asụsụ nkịtị nke FAP gụnyere: (a) obere nkọwa gbasara ihe achọrọ maka oruru na enyemaka ana enye; (b) ndepụta weebụ na ebe aga enweta akwụkwọ ntinye maka ịnweta enyemaka maka ego; (c) ntụziaka maka etu esi enweta akwụkwọ ebipụtara ana enye n'efu gbasara FAP nke a; (d) ihe

eji akpọtụrụ maka enyemaka nke usoro ntinye akwụkwọ; (e) ọdịdị ntụgharị asụsụ nke FAP ahụ na akwụkwọ ndị metụtara ya; na (f) nkwupụta na-agba akaebe na ndị ọrịa achọpụtara na ha ruru ịnweta enyemaka maka ego agaghị akwụkarị ihe ndị ọzọ na-akwụ maka ọnọdụ mberede ma ọ bụ nleta ahụike dị mkpa.

8. *Mbọ nwere isi:* Ndị MHSHFC ga-agba mbọ nwere isi iji gwa onye ọrịa maka FAP ndị MHSHFC site na iwere Nchịkọta Asụsụ Nkịtị nke FAP ahụ, nye ndị ọrịa niile na mbido oge ọrụ. Na mgbakwunye, MHSHFC ga-eji usoro ndị a gwa ndị ọrịa maka FAP ndị MHSHFC:

    a. *Ntịnye akwụkwọ Na-ezughị ezu*: Ọ bụrụ na onye ọrịa na/ma ọ bụ ezinụlọ ya eweta ntinye akwụkwọ na-ezughị ezu, mgbe ahụ MHSHFC ga-eweta ngosi edere-ede iji kọwaa mgbakwunye ihe ọmụma ma ọ bụ akwụkwọ ndekọ ndị dị mkpa achọrọ.

    b. *Ntinye akwụkwọ emechara emecha:* Ọ bụrụ na onye ọrịa na/ma ọ bụ otu onye n'ezinụlọ onye ọrịa nyefere ntinye akwụkwọ zuru ezu maka ịnweta Enyemaka maka Ego, MHSHFC ga-eweta ngosi edere-ede ga-ekwu ma onye ọrịa eruru ịnweta Enyemaka maka Ego n'ụzọ haziri ahazi ma degaara onye ọrịa akwụkwọ banyere mkpebị (gụnyere, ma ọ bụrụ na ọkwesịrị, enyemaka ruru onye ọrịa) na mgbado ụkwụ mkpebị a. Ngosi nke a ga-agunyekwa pasentị ole enyemaka maka ego pụtara (maka ntinye akwụkwọ enyere nkwado) ma ọ bụ ihe mere na ekwetaghị, na ụgwọ ana atụ anya n'aka onye ọrịa ahụ na/ma ọ bụ ezinụlọ ya n'ebe ọkwesịrị. Onye ọrịa na/ma ọ bụ ezinụlọ ya ga na-enweta akwụkwọ ndepụta n'oge ana enyocha ntinye akwụkwọ zuru ezu.

    c. *Akwụkwọ ndepụta nke onye ọrịa:* MHSHFC ga-ezigasi usoro akwụkwọ ndepụta na-akọwa akaụntụ na ego ole onye ọrịa ji. Akwụkwọ ndepụta onye ọrịa ga-enwe ihe edere na ọ bụ ọrụ diịrị onye ọrịa ịgwa ndị MHSHFC maka mkpuchite nke ịnshọransị ahụike ọbụla dịnụ, akwụkwọ ngosi maka FAP nke MHSHFC, akara ekwentị iji rịọta Enyemaka maka Ego, na adreesị weebụsaịtị ebe aga enweta akwụkwọ ndekọ FAP.

    d. *Weebụsaịtị ndị MHSHFC:* Weebụsaịtị ndị MHSHFC ga-ebipụta ngosi n'ebe pụtara apụta na ịnweta Enyemaka maka Ego dị, ya na nkọwa maka usoro ntinye akwụkwọ Enyemaka maka Ego. Ndị MHSHFC ga-ebipụta FAP, na ndepụta ndị mweta ekpuchiri na ndị ekpuchighi n'okpuru FAP, nchịkọta asụsụ nkịtị, ntinye akwụkwọ ịnweta Enyemaka maka Ego, na iwu Ịgba-ụgwọ na Nnakọta dị na weebụsaịtị ndị MHSHFC: http://www.memorialhermannfirstcolony.com/financial-assistance-program/. MHSHFC ga-enwe akwụkwọ ndị a ebipụtara ana enye n'efu nke ga-adị ma achọọ ya na ngalaba maka ọnọdụ mberede na ebe ndebanye aha.

**<u>MBỤRỤNA NTULE:</u>**

1. *Nkwurịtaokwu onye ọrịa:* Na mbido usoro nrugharị nweta ego, ndị ọrịa ga-enweta ozi edere ede ma ọ bụ nke ekwuru n'ọnụ banyere ego ha fọdụrụnụ, ya na ịkwụ-ụgwọ ndị MHSHFC na-atụ anya. Nkwurịtaokwu ha na ndị ọrịa ga-agụnye ọgwụgwa maka ọdịdị FAP, akara ekwentị aga akpọ maka ozi mgbakwunye, na adreesị weebụ ebe aga enweta akwụkwọ maka FAP na akwụkwọ ndị ọzọ metụtara ya. Ndị MHSHFC ga-enye ndị ọrịa niile Akwụkwọ Nchịkọta asụsụ Nkịtị nke FAP.

    a. Atụrụ anya na ndị ọrịa n'enweghị ịnshọransị na ndị MHSHFC ga arụkọ ọrụ n'ịgba mbọ ịmata ụzọ enyemaka maka ego dịnụ nke sitere na ihe omume gọọmenti etiti na steeti iji kpuchie ụgwọ nleta ahụike. Ndị ọrịa n'enweghị ịnshọransị ga-enweta akwụkwọ ndepụta kwa ọnwa nke na-akọwa FAP na ego fọdụrụnụ ihe ruru mkpụrụ ụbọchị 150 enyechara ya nleta. Ọ bụrụ na onye ọrịa abanyeghị na atụmatụ ịkwụ-ụgwọ ma ọ bụ akwuzughị ego ha fọdụrụnụ, ndị MHSHFC ga-ele anya itinye akaụntụ ahụ n'aka ndị ọrụ nchịkọta ọzọ.

    b. Atụrụ anya na ndị ọrịa nwere ịnshọransị na ndị MHSHFC ga-arụkọ ọrụ n'ịgba mbọ ịnweta ego n'aka ndị ụlọ-ọrụ ịnshọransị nke onye ọrịa ahụ. Onye ọrịa kwesịrị ịghọtakwa na mgbe ndị MHSHFC gbara ndị ụlọ-ọrụ ịnshọransị nke ọrịa ahụ ụgwọ, na ọ bụ ihe kwesịrị ekwesị ma ọ wepụghị ọrụ dịịrị onye ọrịa ịkwụ-ụgwọ maka nleta ndị MHSHFC nyere ya. Nya bụ, ụfọdụ oge, ndị MHSHFC ga-achọ ka onye ọrịa kpọturu ndị ụlọ-ọrụ ịnshọransị ha maka idozi okwu banyere igbu oge n'ịkwụ ụgwọ ma ọ bụ dozie okwu banyere nchịkwa ndị ọzọ na-egbochi ịkwụ-ụgwọ ọrụ nleta. Ka ndị MHSHFC nwetara ịkwụ-ụgwọ maka ọrụ, na ndezi njikọtara nsukọ ziri ezi na akaụntụ ahu, onye ọrịa ga-enweta akwụkwọ ndepụta kwa ọnwa nke kọwara FAP na ego ha fọdụrụnụ ruo mkpụrụ ụbọchị 120 na-eso ịkwụ-ụgwọ ndị ụlọ-ọrụ ịnshọransị. Ọ bụrụ na onye ọrịa abanyeghị na atụmatụ ịkwụ-ụgwọ ma ọ bụ akwuzughị ego ha fọdụrụnụ, ndị MHSHFC ga-ele anya itinye akaụntụ ahụ n'aka ndị ọrụ nchịkọta ọzọ.

2. *Enyemaka maka Ego:* Ọ bụ ọrụ ndị MHSHFC ịnyere ndị ọrịa aka n'ịnweta ego mmachi akpa n'aka otu ndị ọzọ dịnụ. Ndụmọdụ maka ego ga-adị iji nyere ndị ọrịa aka ịmata ihe omume nke gọọmenti etiti na steeti dịnụ maka mkpuchi nleta ahụike, ya na ịchọpụta oruru nke FAP. Aga akwụsị omume nnakọta dịka ihe mpụtara nchọpụta ndị a siri dị, mana aga na-eziga akwụkwọ ndepụta onye ọrịa. Maka ịnweta enyemaka maka ego n'aka ndị MHSHFC, mbụrụna aga eji gbakọọ ego ole aga ewepụ, ụzọ ndị MHSHFC ga-esi kwusaa FAP n'ọhaneze dị n'ime obodo ndị MHSHFC na-arụrụ ọrụ, usoro ndị MHSHFC ga-eji chọpụta oruru ịnweta Enyemaka maka Ego, na usoro ntinye akwụkwọ nke akọwara n'uju n'ime **MHSHFC <u>Iwu Enyemaka maka Ego</u>**

3. *Atụmatụ ịkwụ-ụgwọ:* Ndị MHSHFC na-enye ndị ọrịa n'ahụta isi-ike n'ịkwụ-ụgwọ atụmatụ ịkwụ-ụgwọ ha ogologo oge n'enweghị ọmụrụ nwa ọbụla. Ndị ọrịa nwere ike ịtịnye atụmatụ ịkwụ-ụgwọ site n'ikwu okwu ha na ndị ọrụ nyocha na ụbọchị nleta, ma ọ bụ na-ekwusara onye ndụmọdụ ego okwu n'oge ọ bụla tupu ma ọ bụ mgbe ụbọchị nleta gasịrị. Achọrọ ka onye ọrịa kwụọ ụgwọ ọ pekata mpe kwa ọnwa iji nwee atụmatụ ịkwụ-ụgwọ n'arụ ọrụ. Ọ bụrụ na onye ọrịa akwụghị ụgwọ etu esiri kwuo, aga ahụta onye ọrịa ahụ dịka onye anaghị emezu ihe ọ kwere na nkwa ịkwuzu ego fọdụrụnụ ha ji. Aga agba mbọ hụ na emegharịrị atụmatụ ịkwụ-ụgwọ nke onye ọrịa n'iso ụgwọ akwụghị akwụ. Ọ bụrụ na onye ọrịa emegharịghị atụmatụ ịkwụ-ụgwọ na/ma ọ bụ akwụtaghị ụgwọ nke ugboro abụọ, ndị MHSHFC ga-edebe akaụntụ ahụ n'aka ndị ụlọ-ọrụ nnakọta ọzọ. Ka etinyere ya n'aka ndị ụlọ-ọrụ nnakọta ọzọ, onye ọrịa ahụ na ndị ụlọ-ọrụ ọzọ ahụ ga na-arụkọ kpọmkwem iji kwuzuo ụgwọ fọdụrụnụ. Onye ọrịa ahụ agaghị eru eru ịbanye atụmatụ ịkwụ-ụgwọ ọzọ ha na MHSHFC.

4. *Omume nnakọta mgbe akwụghị ụgwọ:* Ọ bụrụ na-akwụghị ụgwọ, aga eme ụfọdụ omume nnakọta na ihe fọdụrụnụ na akaụntụ, onye ọzọ inwe ike ịkwụ-ụgwọ, oruru onye ọrịa maka enyemaka nke gọọmenti ma ọ bụ enyemaka maka ego, nkwenye onye ọrịa, ndekọ ịkwụ-ụgwọ ma ọ bụ ajọ ụgwọ eji eji, na/ma ọ bụ enweghị ike ịchọta onye ọrịa. Omume nnakọta nwere ike ịgụnye arịrịọ maka ngọnahụ onye ọzọ ga-akwụ ụgwọ; nkwurịtaokwu nsonaazụ ha na onye ọzọ ga-akwụ ụgwọ;akwụkwọ ndepụta, leta na ịkpọ onye ọrịa n'ekwentị maka inye ya Enyemaka maka Ego na/ma ọ bụ kwuo maka ịkwụ-ụgwọ; na ịgwa onye ọrịa ma ọ bụ onye akaebe ọgwụgwa ikpeazụ na akaụntụ ha anaghị akwụ ụgwọ ma nwekwa ike ịbanye n'aka ndị ụlọ-ọrụ nnakọta n'ụbọchị agafeghị mkpụrụ ụbọchị 120 site n'ụbọchị enyere onye ọrịa akwụkwọ ndepụta mbu nke ego ole fọdụrụ n'ụgwọ o ji. ọ gwụla ma onye ọrịa ahụ agbachitere na nkwụnye ụgwọ a kwadoro maka ihe ọ bụla nke atọ dị n'elu. Ndị MHSHFC nwere ike ime ihe n'ụzọ iwu megide onye ọzọ (onye ọzọ bu nsogbu) kpatara akwụghị ụgwọ nke akaụntụ ahụ.

5. *Ajọ ụgwọ eji eji:* Enwere ike idepụ akaụntụ dịka ajọ ụgwọ eji eji naanị mgbe agbachara akaụntụ ahụ nye ndị ọzọ na-akwụ ụgwọ na nye onye ọrịa/onye akaebe ụgwọ ikpeazụ, emeela mmepụta ịgba-ụgwọ na nsonaazụ nkwurịtaokwu, agbaala mbọ nwere isi iji gwa onye ọrịa maka ọdịdị enyemaka maka ego, oge enyere maka ịkwụ-ụgwọ agaala, na akpọọla ego dị na akaụntụ ahụ ewe ewe.

6. *Omume nnakọta nke iro:* N'ihụ na naanị akaụntụ ndị kwesịrị ekwesị ka ana edepụ dịka ajọ ụgwọ eji eji, na naanị mgbe agbara mbọ ịgba ụgwọ na nnakọta, gụnyere nziga ziri ezi na nke ndị ụlọ-ọrụ iro maka nchịkọta, ndị otu ọrụ Ụlọ ọrụ Ahịa Ndị na-arịa ọrịa ga-atụle ndepụ ajọ ụgwọ eji eji maka nnabata. Iji ihe nchịkọta mbụrụna edoziri edozi na njedebe nabata edepụrụ akwadoro akwado (hụụ MHSHFC **Iwu Mgbanwe Ọrụ Ahịa Ndị na-arịa ọrịa**), Onye Ọrụ nchịkwa Azụmahịa nwere ike nabata ndepụ ma ọ bụ kwado ihe omume kwesịrị ekwesị nye Onyeisi Ụlọ ọrụ Ego N'ụlọ ọgwụ. Sistem akaụntụ onye ọrịa nwere ike iji onye ewepụtara ga-akwụ ụgwọ,

ego fọdụrụnụ, na usoro omume ịkwụ ụgwọ were wefere ndị ụlọ-ọrụ iro maka nnakọta akaụntụ n'akpaghị ya aka.

7. *Mmezu:* Ọ bụ ọrụ dịịrị ndị MHSHFC Ụlọ ọrụ Ahịa Ndị na-arịa ọrịa na Ụlọ Ọrụ Ịgba Ụgwọ Etiti (CBO) imezu iwu a ma mepụta usoro kpọmkwem eji arụ ọrụ na ngalaba.

**NTỤAKA:**

A. Iwu mwefe onye ọrịa (EMTALA na nkwenye iwu mwefe obodo Texas)
B. Iwu enyemaka maka ego
C. Nchịkọta asụsụ nkịtị maka enyemaka maka ego
D. Ntinye akwụkwọ ịnweta enyemaka maka ego